

# ONYE KA M'BU NA

# EZE

# GANWU N'ỌNỌDUM?

N'EFU — ADIGH ERE YA ERE

ONYE KPOKỌTARA YA ỌNU N'USORO BU WATSON GOODMAN

# ONYE KA M'BU?

Onye kere ayi mara ndi ayi bu, emekwara ka ọputa ihé n'Okwu ebigh-ebi Ya, ebe ayi g'achọputa "ndi emere ayi ibu," "Ihe ayi ghọrọ," "Ebe nke ahu du ayi eje," na "Ihe ayi nwere ike ighọ" site n'inara ngbaputa nke Chineke.

Ufọdu amatagh ihe banyere ngbaputa nke Chineke. Ufọdu mara ya na mkpirikpi, ma chọ ijusi ajuju ike n'ime ya. Ufọdu nalu ọgu megide ngbaputa nke Chineke, ebe ndi ọzọ n'anabata ya nke ọma, ma site na ngbaputa ahu, ha achọputa na ha aghọwo n'ime Jisọs Kraist, ndi nwere olile anya di elu nke ebigh-ebi.

Mkpuru-obim, nke n'adigide rue ebigh-ebi, ahagh ibu n'ezie ihe m'kwenyere ka Onye kere ya me ka ọburu. Enwerem ike iju Ya, nke g'ewetaram ọnọdu ọjọ rue ebigh-ebi, ma ọbu nwekwa ike inara Ya site n'irube isi nke okwukwe, ka O'buliem elu isoro Ya kekọ Oche Eze ebigh-ebi nke mba nile.

—Watson Goodman (1920-2002)

**Ogenwe nwunye analu ọhu nke mgbe ebigh-ebi**

. . . dika obi-utọ nke onye nālu nwunye ọhu nwere n'aru nwunye ọhu ya, otú a ka obi gātọ Chineke utọ n'aru gi. —Aisaia 62.5

Mḇe ahu agēji ala-eze elu-igwe tuyere umu-aḇọghọ iri, ndi chiri ọwa-ha, pua izute onye nālu nwunye ọhu. . . . Ma n'etiti abali itinkpu dara, Le, onye nālu nwunye ọhu! Putanu izute ya.
—Matiu 25.1 na 6

**Kraist—Onye nalu nwunye ọhu**

Onye nwere nwunye ọhu bu onye nālu nwunye ọhu: ma eyì nke onye nālu nwunye ọhu, onye nēguzo nānu kwa okwu-ya, ọ nāṅuri ọṅu nke-uku n'ihi olu onye ahu nālu nwunye ọhu . . . . —Jọn 3.29

N'ihi na ejim ekworo Chineke nēkworo unu: n'ihi na ejikọrọm unu na otù di, ka m'we che unu n'iru Kraist dika nwa-aḇọghọ nāmagh nwoke, bú nke anēmerugh. —2 Ndi Kọrint 11.2

Jisus we si ha, Umu-ndikom nke ulo anālu nwunye ọhu, ọ̀ gābu na ha puru iru újú ka oge ahu ra, bú mḇe ha na Onye nālu nwunye ọhu nānọ? ma ubọchi gābia, mḇe agānapu ha Onye nālu nwunye ọhu, mḇe ahu ka ha gēbu kwa ọnu.
—Matiu 9.15

## 2 NKA MERE CHINEKE JI KE MADU N'OYIYI YA

### Ọdigh ihe ọzọ di-ala karia madu nke kwesiri ibu nwunye ọhu Ya

Chineke we kè madu n'onyinyo-Ya, n'onyinyo Chineke ka Ọ kere ya: nwoke na nwayi ka Ọ kere ha.
—Jenesis 1.27

Dika Ọ roputara ayi nime Ya mḅe akātọgh ntọ-ala uwa, ka ayi we di nsọ buru kwa ndi anāpugh ita uta n'iru Ya n'ihu-n'anya.
—Ndi Efesọs 1.4

### Itozu oke ibu onye nketa nke Chineke

. . . ka unu we site n'ihe ndia ghọ ndi nēnwekọ ihe O ji buru Chineke . . . . —2 Pita 1.4 . . . onyennwekọ nke ebube ahu nke agaje ikpughe. —1 Pita 5.1 . . . ndi soro . . . ketakọ ihe na . . . nkwa ahu nime Kraist Jisus site n'ozi ọma.—Ndi Efesọs 3.6 . . . mere ka ayi rue iketa òkè-ayi n'ihe-nketa ndi nsọ n'ìhè.—Ndi Kọlọsi 1.12 . . . ndi soro ha ke òkè n'ọlu ọma ha bu ndi kwere ekwe na ndi ahuru n'anya. . . . —1 Timọti 6.2 . . . N'ihi na ayi aghọwo ndi-nketa nke Kraist . . . . —Ndi-Hibru 3.14 . . . ndi eme-kwara ka ha keta Mọ Nsọ.—Ndi-Hibru 6.4 . . . ka ayi we keta idi-nsọ-Ya.—Ndi-Hibru 12.10 . . . ndi-nketa nke ọkpukpọ nke elu-igwe . . . . —Ndi-Hibru 3.1 . . . ma nime aḅum ma nime ngọpu nke ozi ọma na ime ka o guzosie ike. —Ndi-Filipai 1.7

. . . n'ihi na ọ bu n'onyinyo Chineke ka Ọ mere madu. —Jenesis 9.6

Chineke Onye kère uwa na ihe nile di nime ya . . . . ebe Ya onwe-ya nēnye madu nile ndu, na ume, na ihe nile; Ọ we site n'otù onye kè mba nile n'otù n'otù nke madu, ka ha biri n'elu uwa nile, . . . ka ha we chọ Chineke, ma elegh anya ha gāsọ ìsì, we chọta Ya, ọ bu ezie na Ọ nọgh n'ebe di anya n'aru onye ọ bula nime ayi: n'ihi na ọ bu nime Ya onwe-ya ka ayi nādi ndu, nējeghari kwa, nādi kwa; dika ufọdu ọbuná nime ndi nke unu ndi nēme abù kwuworo, si, N'ihi na ayi bu kwa ndi Ọ muru. Ya mere ebe ayi bu ndi Chineke muru, ọ kwesigh ka ayi nēchè na Ihe akpọrọ Chineke yiri ọla-edo, ma-ọbu ọla-ọcha, ma-ọbu nkume, ihe apiri api site na ǹkà na ihe di n'obi madu.

—Ọlu ndi-ozi 17.24-29

Adam onye ekere n'oyiyi nke Chineke g'enwe ebube n'amuke amuke dika ebube Chineke

Ndi-nchu-aja we ghara inwe ike iguzo ije ozi n'ihi igwe-oji ahu: n'ihi na ebube Jehova juputara ulo Jehova. —1 Ndi-eze 8.11

Jisus. . . Ọ we nwogha n'iru ha: iru-Ya we nēnwupu dika anyanwu, uwe-Ya nile we nācha ucha dika ìhè. —Matiu 17.1, 2

# SITE N'ODIDO NSỌ BA NA NMEHIE NA ỌCHICHIRI

Onye emere dika Chineke
Onye di nsọ

N'ihi na edewo ya n'akwukwọ nsọ, si, Unu gādi nsọ; n'ihi na nsọ ka Mu onwem di. —1 Pita 1.16

Erubegh isi kpatara nkewa

N'ihi na dika edoro ọra madu na ndi-nmehie site n'aṅagh-nti nke otù madu ahu, ọbuná otú a ka agē-do ọra madu na ndi ezi omume site n'iṅa-nti nke otù Onye ahu.
— Ndi Rom 5.19

N'ihi na madu nile emehiewo, ha adigh-eru kwa otuto Chineke.
—Ndi Rom 3.23

Ugbua onye juputara na aghigho n'agwa ọjọ

Obi di aghughọ kari ihe nile, ihe nādigh ngwọta ka ọ bu kwa: ònye gāmara ya? —Jeremaia 17.9

Jehova we hu na ihe ọjọ nke madu riri nne n'uwa, Ọ hu kwa na ncheputa nile ọ bula nke echiche obi-ya bu nání ihe ọjọ ogologo ubọchi nile. —Jenesis 6.5

Chineke adigh anabata onye agwa ọjọ

. . . Asim unu, amataghm ebe unu si bia; puanu n'irum, ndi nile nālu ọlu ajọ omume. —Luk 13.27

Ma nka bu ikpé ahu, na Ìhè ahu abiawo n'uwa, ma madu huru ọchichiri n'anya kama Ìhè ahu; n'ihi na ọlu-ha jọrọ njọ. —Jọn 3.19

# UGBUA NMEKUTA DI AÑA DI N'ETITI AYI NA CHINEKE?

Anu-aru dara ada adigh ọcha

Ayi we di ka onye ruru árú, ayi nile; na dika uwe emeruru emeru, otú a ka ezi omume nile ayi di: ayi we kpọnwua dika akwukwọ osisi, ayi nile; ajọ omume-ayi nēfepu kwa ayi, dika ifufe. —Aisaia 64.6

Ọnwu ebigh-ebi adakwasiwom

N'ihi nka, dika nmehie si n'aka otù madu ba n'uwa, dika ọnwu si n'aka nmehie ba kwa; ọnwu we si otú a gabiga rue madu nile, n'ihi na madu nile mehiere.

—Ndi Rom 5.12

Abum onye amara ikpe

Ya mere otú a, dika ikpé ahu sitere n'otù ndahie bia rue madu nile iwetara ha amam-ikpe . . . .

—Ndi Rom 5.18

Nmehie adọtawom n'agha

Ma anamahu iwu di iche n'ihe nile dim n'aru, nēbu agha megide iwu nke uchem, nādọtakwam n'agha nye iwu nke nmehie nke di n'ihe nile dim n'aru. —Ndi Rom 7.23

Nmehie n'ekewa mu na Chineke

Kama ajọ omume nile unu aghọwo ihe nākpa ókè n'etiti unu na Chineke-unu . . . . —Aisaia 59.2

Agam aza ajuju bayere onwem n'iru Chineke

Ya mere otú a onye ọ bula n'etiti ayi gāza ajuju bayere onweya nye Chineke. —Ndi Rom 14.12

**Na anu-aru dara ada, adim ka urọ, ahihia, alulu**

Ma uḅa a, Jehova, Nna-ayi ka I bu: ayi onwe-ayi bu urọ, Gi onwe-gi bu onye nākpu ayi; ọlu aka-Gi ka ayi nile bu. —Aisaia 64.8

N'ihi na, anu-aru nile di ka ahihia, ebube-ya nile di kwa ka uzari ahihia. Ahihia akpọnwuwo, uzari-ya adapuwo kwa. —1 Pita 1.24

Ma unu bu ndi nāmatagh ihe gēme echi. Ndu-unu bu gini? N'ihi na unu bu alulu, nke nāputa ìhè nwa oge, emesia ọ we pua n'anya. —Jemes 4.14

**Enwerem ike inwe anwugh-anwu na ndu ebigh-ebi nime Kraist**

Ọzọ, onye ọ bula nke nādi ndu, nke nēkwere kwa na Mu, ọ gagh-anwu ma-ọli rue mḅe ebigh-ebi. Ì kwere nka? —Jọn 11.26

Onye kwere n'Ọkpara Chineke nwere àmà ahu nime ya: onye nē-kwegh okwu Chineke emewo Ya o-nye-ugha; n'ihi na ọ kwegh n'àmà ahu nke Chineke ḅaworo bayere Ọkpara-Ya. Àmà ahu bu nka, na Chineke nyere ayi ndu ebighebi, ndu ahu di nime Ọkpara-Ya. Onye nwere Ọkpara ahu nwere ndu ahu; onye nēnwegh Ọkpara Chineke enwegh ndu ahu. —1 Jọn 5.10-12

Ọnu-uzọ-ama, bulienu isi-unu elu; ka ebuli kwa unu elu, ọnu-uzọ ebigh-ebi: Eze ebube gābata kwa. Ònye kwa bu Eze ebube a? Ọ bu Jehova, Nke bu dìnkpà na dike, ọ bu Jehova, Nke bu dike n'agha. Ọnu-uzọ-ama, bulienu isi-unu elu; buli-kwa-nu ha elu, ọnu-uzọ ebigh-ebi: Eze ebube gābata kwa. Ònye ka Ọ bu, bú Eze ebube a? Ọ bu Jehova nke usu nile nke ndi-agha, ya onwe-ya bu Eze ebube a. Selah.

—Abù ọma 24.7-10

. . . rue ngosi nke Onye-nwe-ayi Jisus Kraist: . . . Onye nání Ya bu Onye di ike, Onye bu kwa onye di ngọzi, bú Eze kachasi ndi bu eze, Onye bu kwa Onye-nwenu kachasi ndi nāchi ka ndi-nwe madu; Onye nání Ya nwere anwugh-anwu, nēbi nime ìhè nke anāpugh ibiaru nso; Onye ọ digh madu ọ bula huworo Ya anya, ma-ọbu pu ihu Ya anya: Onye nsọpuru na ike ebighebi diri. Amen. —1 Timọti 6.14-16

Eze a g'abu Eze uwa nile

O gēru kwa, n'ubọchi ahu, na miri nēnye ndu gēsi na Jerusalem rùputa; nkera-ha gērùga n'oké osimiri Iru-anyanwu, nkera-ha gērùga kwa n'oké osimiri Ọdida-anyanwu: na mbe okpom-ọku na na mbe oyi ka ọ gādi. Jehova gāghọ kwa eze elu-uwa nile: n'ubọchi ahu ka Jehova gādi otù, aha-Ya gādi kwa otù. —Zekaraia 14.8, 9

Jisus zara, si, Ala-ezem esitegh n'uwa nka: ọ buru na ala-ezem sitere n'uwa nka, ndi nējerem ozi gālu ọ̀gù, ka aghara iraram nye n'aka ndi-Ju: ma uḅu a ala-ezem esigh n'ebe a puta. Ya mere Pailat siri Ya, Gì onwe-gi bu kwa eze? Jisus zara, si, Gi onwe-gi nāsi na Mu onwem bu eze. Amuwo Mu onwem ime ihe a, abiawokwam nime uwa ime ihe a, ka M'we ḅara eziokwu àmà. Onye ọ bula nke sitere n'eziokwu ahu nānu olum.

—Jọn 18.36, 37

Ma O kpuchiri ọnu, ọ digh kwa ihe ọ bula Ọ zara. Onye-isi-nchuaja juba-kwa-ra Ya ọzọ, si Ya, Gì onwe-gi bu Kraist ahu, Ọkpara nke Onye ahu agọziri agọzi? Jisus we si, Mu onwem bu Ya: unu gāhu kwa Nwa nke madu ka Ọ nānọdu n'aka-nri nke ike, nābia kwa, Ya na igwe-oji nile nke eluigwe.

—Mak 14.61, 62

Ma mḅe ọ bula Nwa nke madu gābia n'ebube-Ya, Ya na ndi-mọozi nile, mḅe ahu ka Ọ gānọkwasi n'ocheeze nke ebube-Ya. . . . Mḅe ahu Eze ahu gāsi ndi nọ n'aka-nri-Ya, Bianu, ndi agọziri agọzi nke Nnam, ketanu alaeze edoziworo unu site na ntọ-ala nke uwa.

—Matiu 25.31 na 34

Ma O nēkwu ihe bayere Ọkpara ahu, si, Oche-eze-gi, Chineke, nādiru mḅe nile ebigh-ebi; nkpa-n'aka-eze nke izi-ezi ka nkpa-n'aka nke ala-eze-Gi bu kwa.

—Ndi-Hibru 1.8

Uḅu a mu onwem, bú Nebukadneza, nāja, nēbuli, nāsọpuru Eze nke elu-igwe; n'ihi na ọlu-Ya nile bu ezi-okwu, uzọ-Ya nile bu kwa ikpé: ọzọ, ndi nējeghari na npakọ, Ọ puru ime ka ha di ala.

—Daniel 4.37

Si, N'ezie asim unu, Ọ buru na unu echigharigh, bia di ka umuntakiri, unu agagh-abà n'ala-eze elu-igwe ma-ọli. Ya mere, onye ọ bula nke gēweda onwe-ya dika nwatakiri a, onye ahu dikariri uku n'ala-eze elu-igwe.

—Matiu 18.3, 4

. . . Ala-eze nke uwa aghọwo ala-eze nke Onye-nwe-ayi, na nke Kraist-Ya: Ọ gābu kwa eze rue mḅe nile ebigh-ebi.—Nkpughe 11.15

Ebe emeworo ka anya obi-unu nara ìhè, ka unu we mata ihe bu olile-anya nke ọkpukpọ-Ya, mata kwa ihe bu àkù nke ebube nke ihe-nketa-Ya n'etiti ndi nsọ Ya, mata kwa otú ike-Ya di uku ri nne n'ebe ayi nọ, bú ndi kwere, dika ilusi-ọlu-ike nke idi-ike nke ike-Ya si di.

—Ndi Efesọs 1.18, 19

Dika I nyere Ya ike n'ebe madu nile nọ, ka ihe ọ bula I nyeworo Ya, ka Ọ we nye ha ndu ebigh-ebi.
—Jọn 17.2

Onye nọ n'aka-nri nke Chineke, ebe Ọ gara ba n'elu-igwe; edowo kwa ndi-mọ-ozi na ndi nāchi isi na ndi di ike n'okpuru Ya.—1 Pita 3.22

Nke Ọ lusiri ike nime Kraist, mḅe Ọ mere ka O si na ndi nwuru anwu bilie, me kwa ka Ọ nọdu n'aka-nri-Ya n'ebe di n'elu-igwe, kachasi ha nile elu, bú ibu-onye-isi, na ichi-isi, na ike, na ibu-onye-nwe-madu, na aha ọ bula anākpọ ya aha, ọ bugh nání n'oge a, kama ọ bu kwa n'oge nke gaje ibia: O do-kwa-ra ihe nile n'okpuru ukwu-Ya abua, ọ bu kwa Ya onwe-ya ka Ọ mere ka Ọ buru isi n'elu ihe nile n'ebe nzukọ-Ya nọ, nke bu aru-Ya, ozuzù nke Onye ahu Nke nāluzu ihe nile nime madu nile.
—Ndi Efesọs 1.20-23

Ma Jisus onwe-ya araragh O-nwe-ya nye n'aka-ha na ntukwasi-obi, n'ihi na Ọ mara madu ni-le, . . . n'ihi na Ya onwe-ya mara ihe di nime madu. —Jọn 2.24, 25

Mu onwem nime ha, Gi onwe-gi kwa nimem, ka ewe me ka ha buru ndi zuworo okè ibu otù; ka uwa we mara na Gi onwe-gi ziterem, na I hu-kwa-ra ha n'anya, dika I hu-rum n'anya. —Jọn 17.23

. . . Ọ kwesiri, bú Nwaaturu ahu Nke eḅuwọro eḅu, inata ike nile, na àkù, na amam-ihe, na ume, na nsọpuru, na otuto, na ngọzi.
—Nkpughe 5.12

Jisus we biakute ha, gwa ha o-kwu, si, Ewerewo ike nile di n'elu-igwe na n'elu uwa nyem.
—Matiu 28.18

Ma n'ebe ayi nọ otù Chineke di, bú Nna, Onye ihe nile sitere na Ya, Onye ayi onwe-ayi dikwa-ra Ya; otù Onye-nwe-ayi di kwa, bú Jisus Kraist, Onye ihe nile sitere n'aka-Ya, ayi onwe-ayi site-kwa-ra n'aka-Ya. —1 Ndi Kọrint 8.6

Ma Ọ buru ndi akpọrọ, ma ndi-Ju ma ndi-Grik, Kraist, bú ike nke Chineke, na amam-ihe nke Chine-ke. —1 Ndi Kọrint 1.24

Si, Ayi nēkele Gi, Onye-nwe-ayi Chineke, Onye puru ime ihe nile, Onye nādi adi, Onye di-kwa-ri; n'i-hi na I werewo oké ike-Gi, I bu-kwa-ra eze. —Nkpughe 11.17

Ka ewe kasie obi-ha, ebe ejikọ-kwa-ra ha n'ihu-n'anya, ka ha we ru kwa àkù nile nke nkwezu ahu nke nghọta nēkwezu, ka ha we ma-zu ihe-omimi nke Chineke, bú Kra-ist, Onye àkù nile nke amam-ihe na ihe-ọmuma di nime Ya, bú ihe zoro ezo nime Ya.—Ndi Kọlọsi 2.2, 3

Ya nwe kwa ike n'aru madu site n'otù oké osimiri rue oké osimiri ọzọ, site kwa n'Osimiri rue nsọtu nile nke uwa. Ndi bi n'ala kpọrọ nku gēruru ala n'iru ya; ọzọ, ndi-iro-ya gāracha ájá. . . . E, eze nile gākpọ isi ala nye ya: Mba nile gēfè ya òfùfè. —Abú ọma 72.8, 9, 11

Ndi-eze nke uwa nēguzo onweha, ndi-isi nābakọta kwa ìzù, imegide Jehova, na imegide onye-Ya etere manu, si, ka ayi tijie abu nile ha, tufue udọ nile ha n'aru ayi. Onye nānọdu n'elu-igwe nāchì ọchì: Onye-nwe-ayi nākwa ha emò. . . . Ma Mu onwem emewo ka ezem guzosie ike n'elu Zaion, bú ugwu nsọm. M'gākọ akukọ bayere ukpuru: Jehova sirim, Ọkparam ka gi onwe-gi bu; mu onwem amuwo gi ta. Riọm, na agamenye gi mba nile ka ha buru ihe-nketa-gi, na nsọtu uwa ka ha buru iheonwunwe-gi. —Abú ọma 2.2-4 na 6-8

Ònye nāgagh-atu egwu Gi, Eze mba nile? n'ihi na Gi ka ọ kwesiri: n'ihi na n'etiti ndi-amam-ihe nile nke mba nile, na n'ala-eze nile ha, ọ digh onye di ka Gi ma-ọli. . . . Ma Jehova bu Chineke n'ezi-okwu; Ya onwe-ya bu Chineke di ndu, na eze nādi mbe ebigh-ebi: n'iwe-Ya uwa nāma jijiji, mba nile apugh kwa inagide iwe-Ya di ọku.
—Jeremaia 10.7 na 10

Mu onwem bu Jehova; nke ahu bu aham: M'gaghenye kwa onye ọzọ nsọpurum, M'gaghenye kwa arusi di iche iche apiri api otutom.
—Aisaia 42.8

N'ihi na Chineke uku ka Jehova bu, Ọ bu kwa Eze uku nāchi chi nile.
—Abù ọma 95.3

Mbe ahu ka ihe-iriba-ama nke Nwa nke madu gāputa kwa ìhè n'elu-igwe: . . . ha gāhu kwa Nwa nke madu ka Ọ nābia n'elu igwe-oji nile nke eluigwe n'ike na oké ebube.
—Matiu 24.30

Gi, Onye-nwe-ayi na Chineke-ayi, I kwesiri inara otuto nile na nsọpuru nile na ike nile: n'ihi na Gi onwe-gi kère ihe nile, ọ bu kwa n'ihi ọchichọ-Gi ka ha diri, ka ekè-kwa-ra ha èkè.
—Nkpughe 4.11

Ma Eze nke mbe nile, Nke anā-pugh imebi emebi, Nke anāpugh ihu anya, Onye nání Ya bu Chine-ke, nsọpuru na otuto diri Ya rue mbe nile ebigh-ebi. Amen.
—1 Timọti 1.17

Ya na nwunye analu ọhu n'ekerita ebube Ya

Otuto nke I nyeworom ka Mu onwem nyewo-kwara ha . . . .
—Jọn 17.22

N'ihi na anamagu na ahuhu nile nke oge di ubu a ekwesigh ka e-kwuta ha ma ele ebube ahu anya, bú nke agaje ikpughe n'ebe ayi nọ.
—Ndi Rom 8.18

Ọ digh ọgwugwu ọ bula iba-uba nke ibu-onye-isi-Ya na udo-Ya gāgwu . . . .
—Aisaia 9.7

Ahuhu gādiri onye nāluso Onye kpuworo ya ọ̀gù! . . . Ahuhu gādiri onye nāsi nna-ya, Gini ka i nāmu? nke nāsi kwa nwayi, Ìme gini nēme gi? Otú a ka Jehova siri, bú Onye Nsọ nke Israel na Onye kpuworo ya: Juanum ajuju bayere ihe nile nābia; nyenum iwu bayere umum, ma-ọbu bayere ọlu akam abua. Mu onwem emewo uwa, kè kwa madu n'elu ya: Mu onwem, akam abua setiri elu-igwe, ọ bu kwa usu nile nke ihe-ha M'nyeworo iwu. Mu onwem akpọtewo ya n'ezi omume, ọ bu kwa uzọ-ya nile ka M'gēme ka ha guzozie . . . .
—Aisaia 45.9-13

Ọ bu kwa ya ka enyere ọchichi, na ebube, na ala-eze, ka ndi nile di iche iche na mba nile na ndi nile nāsu asusu di iche iche we fè Ya: ọchichi-Ya bu ọchichi ebigh-ebi, nke nāgagh-agabiga, ọ bu kwa ala-eze-Ya bu nke anāgagh-emebi.
—Daniel 7.14

Sọpuru iwu Ya

E, eze nile gākpọ isi ala nye ya: mba nile gēfè ya ọ̀fùfè.
—Abù ọma 72.11

**Amuma eburu bayere ebe Ọga anwu, otu Osi anwu na mbilite n'ọnwu Ya**

Le, ayi nārigoro Jerusalem; agārara kwa Nwa nke madu nye n'aka ndi-isi-nchu-aja na ndi-ode-akwukwọ; ha gāma kwa Ya ikpé ọnwu, rara Ya nye n'aka ndi mba ọzọ ka ha me Ya ihe-ọchì, pia Ya ihe, kpọgide Ya n'obe: agēme kwa ka O si n'ọnwu bilie n'ubọchi nke-atọ. —Matiu 20.18, 19

**Nmehie bu ihe jọgburu onwe ya n'anya Chineke na ọchọrọ ngbochi di otu a**

N'ihi na Kraist hu-kwa-ra ahuhu bayere nmehie, nání otù mḅe, Onye ezi omume n'ihi ndi ajọ omume, ka Ọ we kuru ayi biakute Chineke; n'ihi na emere ka Ọ nwua anwu n'anu-aru-Ya, ma emere ka Ọ di ndu na mọ-Ya. —1 Pita 3.18

. . . Onye-nwe-ayi Jisus Kraist . . . Onye nyere Onwe-ya n'ihi nmehie nile ayi, ka Ọ we weputa ayi n'ajọ oge nke di uḅu a, dika ọchichọ nke Chineke, bú Nna-ayi, si di. —Ndi Galetia 1.3, 4

Nime nka ka ayi maworo ihu-n'anya, n'ihi na Ya onwe-ya tọḅọ-rọ ndu-Ya n'ihi ayi . . . .
—1 Jọn 3.16

N'ihi na okwu nke obe buru ndi nāla n'iyì ihe-nzuzu; ma ọ buru ayi, bú ndi anāzọputa, ike nke Chineke. —1 Ndi Kọrint 1.18

Ma uḅu a nime Kraist Jisus unu onwe-unu, bú ndi nọ n'ebe di anya n'oge gara aga, unu ka emere ka unu nọ nso nime ọbara Kraist.
—Ndi Efesọs 2.13

Ya mere, . . . ebe ayi nwere nkwuwa-okwu ibà n'ebe nsọ ahu site n'ọbara Jisus, bú uzọ Ọ mere ọhu . . . .
—Ndi-Hibru 10.19, 20

. . . sitesiri n'ọbara nke obe-Ya me . . . .
—Ndi-Kọlọsi 1.20

. . . Le, anamatọbọ na Zaion otù isi nkume nime nkuku ntọ-ala, nke bu ihe arọputara, buru kwa ihe anāsọpuru: Onye kwe-kwa-ra na Ya, agagheme ka ihere me ya mạli. Ya mere ọ bu unu, bú ndi kwere ekwe, ka nsọpuru ahu diri . . . .
—1 Pita 2.6, 7

. . . Onye ahu Nke nāhu ayi n'anya, Onye tọpu-kwa-ra ayi na nmehie nile ayi nime ọbara-Ya.
—Nkpughe 1.5

Ebe i ma-kwa-ra na i sitere n'oge i di na nwa ọhu mata ihe di nsọ nile edeworo n'akwukwọ nsọ nke puru ime ka i buru onye-amam-ihe inata nzọputa site n'okwukwe nke i kwere na Kraist Jisus.
—2 Timọti 3.15

N'ihi na Nwa nke madu biara ichọ na izọputa ihe nke furu efu.
—Luk 19.10

Ekwesirim inwu ọnwu ebigh-ebi

. . . nkpuru-obi ahu nke nēmehie, ya onwe-ya gānwu. —Ezikiel 18.4

N'ihi nka, dika nmehie si n'aka otù madu ba n'uwa, dika ọnwu si n'aka nmehie ba kwa; ọnwu we si otú a gabiga rue madu nile, n'ihi na madu nile mehiere.

—Ndi Rom 5.12

N'ihi na ugwọ-ọlu nke nmehie bu ọnwu . . . . —Ndi Rom 6.23

Emeriri ọnwu nyem

Ya mere ka ihere àmà nke Onye-nwe-ayi, . . . ghara ime gi: kama so ozi ọma Ya hujukọ anya dika ike nke Chineke si di; Onye zọputara ayi, were kwa ọkpukpọ di nsọ kpọ ayi, ọ bugh dika ọlu-ayi si di, kama dika ihe Ya onwe-ya zubere, ya na amara-Ya, si di, nke enyere ayi nime Kraist Jisus mḅe oge ebigh-ebi akērugh, ma emere ka ọ puta ìhè uḅu a site na ngosi nke Onye-nzọputa-ayi Kraist Jisus, Onye mere ka ọnwu ghara idi irè, site kwa n'ozi ọma Ya weputa ndu na emebighemebi n'ìhè.

—2 Timọti 1.8-10

Buru kwa Onye ahu nādi ndu; aghọ-kwa-ram onye nwuru anwu, ma le, anamadi ndu rue mḅe nile ebigh-ebi, enwe-kwa-ram nkpisi-ugodi nile nke ọnwu na nke Hedis.

—Nkpughe 1.18

# EZE AHU WETARA NZỌPUTA N'EFU NYE NDI NILE JI OBI HA NILE CHỌ YA

. . . Kraist nwuru n'ihi nmehie-ayi nile, dika ihe edeworo n'akwukwọ nsọ si di.
—1 Ndi Kọrint 15.3

. . . nzukọ Chineke . . . nke O ji ọbara nke Ya onweya zutara Onwe-ya. —Ọlu ndi-ozi 20.28

Mu onwem bu onye-ọzùzù-aturu ọma: onye-ọzùzù-aturu ọma nātọḅo ndu-ya n'ihi aturu-ya.
—Jọn 10.11

Onye ahu ka ndi-amuma nile nābara àmà, na site n'aha-Ya onye ọ bula nke kwere na Ya gānata nḅaghara nmehie.
—Ọlu ndi-ozi 10.43

Ọ nwu-kwa-ra n'ọnọdu madu nile, ka ndi di ndu we ghara idiri onwe-ha ndu ọzọ, kama ka ha diri Onye ahu ndu, bú Onye nwuru n'ọnọdu ha, eme kwa ka O si n'ọnwu bilie. —2 Ndi Kọrint 5.15

Onye-nwe-ayi anọgh ọdù n'ime nkwa-Ya, dika ufọdu nāgu ya na ọ bu inọ-ọdù; kama Ọ nātachiri unu ogologo-ntachi-obi, n'ihi na O zubegh ka ndi ọ bula la n'iyì, kama ka madu nile bia rue nchèghari.
—2 Pita 3.9

Unu gāchọsikwam ike, we chọtam, mḅe unu ji obi nile unu achọm. —Jeremaia 29.13

Oche-eze-Gi, Chineke, nādiru mbe nile ebigh-ebi: Nkpa-n'aka-eze nke izi-ezi ka nkpa-n'aka-eze nke ala-eze-Gi bu. I huwo ezi omume n'anya, we kpo nmebi-iwu asi . . . . —Abū oma 45.6, 7

Ma-obu ùnu amatagh na ndi ajo omume agagh-eketa ala-eze Chineke? . . . . —1 Ndi Korint 6.9

N'ihi na ndi di ka anu-aru si cho nātukwasi uche n'ihe nke anu-aru; ma ndi di ka Mo Nso si cho nātukwasi uche n'ihe nke Mo Nso. N'ihi na itukwasi uche n'anu-aru bu onwu; ma itukwasi uche na Mo Nso bu ndu na udo: n'ihi na itukwasi uche n'anu-aru, ya na Chineke di n'iro; n'ihi na edogh ya n'okpuru iwu Chineke, n'ihi na apugh kwa ido ya n'okpuru ya: ndi nke no n'anu-aru apugh kwa ito Chineke uto. Ma unu onwe-unu anogh n'anuaru, kama unu no nime Mo Nso, ma o buru na o bu ezie na Mo nke Chineke nēbi nime unu. Ma o buru na onye o bula enwegh Mo nke Kraist, onye ahu abugh nke Ya. —Ndi Rom 8.5-9

Unu ndi nākwa iko, ùnu amatagh na ibu eyì nke uwa bu ibu onye-iro nke Chineke? Ya mere onye o bula nke zubere ibu eyì nke uwa nēdo onwe-ya onye-iro nke Chineke. — Jemes 4.4

Onye nēkpuchi njehie-ya nile, ọ gagh-agara ya: Ma onye nēkwupu-ta ha, nke nārapu kwa ha, agēnwe obi-ebere n'aru ya. —Ilu 28.13

Ayi onwe-ayi amawo kwa ihu-n'anya ahu, ayi ekwerewo kwa na ya, bú nke Chineke nwere n'ebe ayi nọ. Chineke bu ihu-n'anya; o-nye nānọgide kwa n'ihu-n'anya, nime Chineke ka ọ nānọgide, Chi-neke nānọgide kwa nime ya.
—1 Jọn 4.16

Ma mḅe ha nāga n'uzọ, ha bia-ruru otù miri; onozi ahu we si, Le, miri; gini nānapu imem baptism? Filip we si ya, Ọ buru na i ji ob-gi dum we kwere, agēme gi. Ọ we za, si, Ekwerem na Jisus Kraist bu Ọkpara Chineke.
—Ọlu ndi-ozi 8.36, 37

Ma ka ha ra, bú ndi nara Ya, ha ka Ọ nyere ike ighọ umu Chineke, bú ndi kwere n'aha Ya. —Jọn 1.12

. . . onye nānaram nānara kwa Onye ziterem. — Jọn 13.20

Ka okwukwe-unu we ghara idi n'amam-ihe madu, kama n'ike nke Chineke. —1 Ndi Kọrint 2.5

Ya mere Jisus nāsi ndi-Ju ndi kwere okwu-Ya-ri, Ọ buru na unu onweunu anọgide n'okwum, unu bu ndi nēso uzọm n'ezie. —Jọn 8.31

# NZỌPUTA BU NMEKUTA DI NDU NA NNWEKỌ 21 IHE NKE AYI NA KRAIST

Na imara ihu-n'anya Kraist nke kariri ọmuma nke-uku ri nne, ka ewe me ka unu zue ezù rue ozuzù nile nke Chineke. —Ndi Efesọs 3.19

Ma ọ buru na Kraist nọ nime unu, aru-unu bu ihe nwuru anwu n'ihi nmehie n'ezie; ma Mọ Nsọ bu ndu n'ihi ezi omume.—Ndi Rom 8.10

Mu onwem bu onye-ọzùzù-aturu ọma; ama-kwa-ram aturu nkem, aturu nkem ma-kwa-ram.
—Jọn 10.14

Ma unu onwe-unu adigh-ekwe, n'ihi na unu adigh nime aturu nkem. Aturu nkem nānu olum, Mu onwem ma-kwa-ra ha, ha nēsokwam: Mu onwem nēnye kwa ha ndu ebigh-ebi; ha agaghala kwa n'iyì ma-ọli rue mḅe ebigh-ebi, ọ digh kwa onye ọ bula gānapu ha n'akam. — Jọn 10.26-28

Ọ bu kwa n'ihi ihe a ka m'nāhu kwa ahuhu ndia: ma ihere adigh-emem; n'ihi na amataram Onye m'kweworo okwu-Ya, eme-kwa-ra ka m'kweye na Ọ puru iche ihe m'nyere n'aka-Ya idebe nche rue ubọchi ahu. —2 Timọti 1.12

Ya mere ka ndi nāhu ahuhu dika ọchichọ Chineke si di were kwa nkpuru-obi-ha n'ime ezi ihe nye n'aka Onye-òkìkè kwesiri ntukwa-si-obi idebe. —1 Pita 4.19

Ma ònye bu onye nēmeri uwa, ma-ọbugh onye ahu nke kwere na Jisus bu Ọkpara Chineke?
—1 Jọn 5.5

Ndi amuru, ọ bugh site n'ọbara, ọ bugh kwa site n'ọchichọ anu-aru, ọ bugh kwa site n'ọchichọ nwoke, kama site na Chineke.
—Jọn 1.13

Unu gāmara kwa eziokwu, ezi-okwu ahu gēme kwa ka unu pua n'orù.
—Jọn 8.32

Ebe eme-kwa-ra ka unu pua na nmehie nwere onwe-unu, unu ghọ-rọ ndi-orù nke ezi omume. Ma uḅu a ebe unu pusiri na nmehie nwere onwe-unu, ghọ kwa ndi-orù nke Chineke, unu nwere nkpuru-unu nēweta ido-nsọ, unu nwekwa-ra ndu ebigh-ebi dika ọgwugwu-ya.
—Ndi Rom 6.18 na 22

Ya mere ọ buru na Ọkpara gēme ka unu pua n'orù, unu gābu ndi puworo n'orù n'ezie.
—Jọn 8.36

Kraist mere ka ayi pua n'orù ka ayi we nwe onwe-ayi: ya mere nē-guzosinu ike, unu ekwela ka ewere yoke nke bu ibu-orù tuhi unu ọzọ.
—Ndi Galetia 5.1

N'ihi na i gāburu Ya onye-àmà n'ebe madu nile nọ nke ihe nile i huworo nu kwa.
—Ọlu ndi-ozi 22.15

. . . Onye ahu Nke nāhu ayi n'anya, Onye tọpu-kwa-ra ayi na nmehie nile ayi nime ọbara-Ya; Ọ we me ka ayi buru ala-eze, ndi-nchu-aja nye Chineke na Nna nke Ya; ọ bu Ya ka otuto nile na ike ni-le diri rue mḇe nile ebigh-ebi. Amen. —Nkpughe 1.5, 6

Ma-ọbu ùnu amatagh na ndi ajọ omume agagh-eketa ala-eze Chine-ke? Unu ekwela ka eduhie unu: ndi nākwa iko, ma-ọbu ndi nēkpe-re arusi, ma-ọbu ndikom nā-kwa iko, bú ndi nwere nwunye, ma-ọbu ndikom nēme dika ndinyom, ma-ọbu ndikom nēmeru onwe-ha n'aru ndikom, ma-ọbu ndi-ori, ma-ọbu ndi-anya-uku, ma-ọbu ndi nā-ṅubiga manya ókè, ma-ọbu ndi-nkwutọ, ma-ọbu ndi nāpunara ma-du ihe, ha agagh-eketa ala-eze Chi-neke. Otú a ka ufọdu n'etiti unu di-kwa-ri: ma unu sachara onwe-unu, ma edoro unu nsọ, ma aguru unu na ndi ezi omume n'aha Onye-nwe-ayi Jisus Kraist, ya na nime Mọ . . . . —1 Ndi Kọrint 6.9-11

Maọbu ùnu amatagh na ndi nsọ gēkpe uwa ikpé? . . .

—1 Ndi Kọrint 6.2

Ọnọdu ebuliri elu

Ka ha nile we buru otù; dika Gi onwe-gi di nimem, dika Mu o-nwem di kwa nime Gi, Nna, ka ha onwe-ha we di kwa nime Ayi . . . .

—Jọn 17.21

# EMEREM KA MU NA CHINEKE N'ENWE NMEKỌRITA

Jehova di nso ndi nile nākpọku Ya, bú ndi nile nākpọku Ya n'ezi-okwu. —Abū ọma 145.18

Ọzọ, òle nkwekọ ulo nsọ nke Chineke na arusi nēkwekọ? n'ihi na ayi onwe-ayi bu ulo nsọ nke Chineke di ndu; dika Chineke kwuru, si, M'gēbi nime ha, nēje-ghari kwa nime ha; M'gābu kwa Chineke nke ha, ha onweha gābu kwa ndi nkem. —2 Ndi Kọrint 6.16

Kama ebe unu nwekọrọ ahuhu nke Kraist, nāṅurinu ọṅu; ka unu we were kwa obi nātọ utọ nke-uku ṅuria nime nkpughe nke ebube-Ya. —1 Pita 4.13

. . . ma nnwekọ-ayi bu kwa nke ayi soro Nnaayi, so kwa Ọkpara-Ya Jisus Kraist, nēnwekọ. —1 Jọn 1.3

Mḅe i nāgabiga nime miri, gi ka M'gānọyere; mḅe i nāgabiga nime osimiri, ha agagherùchapu gi: mḅe i nēje ije n'ọku, ọku agagh-aru gi; ire-ọku agagh-ere kwa gi ọku. —Aisaia 43.2

Mu onwem nime ha, Gi onwe-gi kwa nimem, ka ewe me ka ha buru ndi zuworo okè ibu otù; ka uwa we mara na Gi onwe-gi ziterem, na I hu-kwa-ra ha n'anya, dika I hu-rum n'anya. —Jọn 17.23

# NMEKUTA NKE DI N'ETITI KRAIST NA EZI NDI KWERE EKWE

N'ubọchi ahu unu onwe-unu gāmara na Mu onwem nọ nime Nnam, na unu onwe-unu nọ kwa nimem, na Mu onwem nọ kwa nime unu. . . . Mu onwem bu osisi vine ahu, unu onwe-unu bu alaka nkem: Onye nānọgide nimem, Mu onwem kwa nime ya, onye ahu nāmi nkpuru ri nne . . . .

—Jọn 14.20; 15.5

Iwu Ya nke ikpe-azu bu nke buzọ gbasa ayi

Mọ Nsọ na nwayi ahu anālu ọhu nāsi kwa, Bia. . . . —Nkpughe 22.17

Ya mere, ganu, me mba nile ka ha buru ndi nēso uzọm, nēme ha baptism bà n'aha nke Nna, na nke Ọkpara, na nke Mọ Nsọ: nēzí ha ka ha debe ihe nile, ka ha ra, bú nke M'nyere unu n'iwu: ma le, Mu onwem nọyere unu ubọchi nile, rue ọgwugwu oge a. —Matiu 28.19, 20

Ezi omume nke ndi nsọ bu ezi omume sitere na Kraist Onye bi n'ime ha

Ndi Chineke chọrọ ime ka ha mara ihe bu àkù nke ebube nke ihe-omimi a n'etiti ndi mba ọzọ, nke bu Kraist nime unu, bú olile-anya nke ebube ahu.

—Ndi Kọlọsi 1.27

N'ihi na Kraist bu nsọtu iwu iwetara onye ọ bula nke kwere ezi omume. —Ndi Rom 10.4

# EBERE DI OTU A, IHUN'ANYA DI OTU A N'AMARA DI OTU A

Onye agọziri agọzi ka Ọ bu, bú Chineke na Nna nke Onye-nwe-ayi Jisus Kraist, Onye muru ayi ọzọ, dika oké ebere-Ya si di, ka ayi we nwe olile-anya di ndu, site na nbilite ahu nke Jisus Kraist si na ndi nwuru anwu bilite. —1 Pita 1.3

Ya mere ka ayi were nkwuwa-okwu biarue oche-eze amara, ka ewe mere ayi ebere, ka ayi we hu kwa amara iyere ayi aka n'oge nkpà. —Ndi-Hibru 4.16

Ma Chineke, ebe Ọ bu ọgaranya n'ebere, n'ihi oké ihun'anya-Ya Ọ huru ayi, ọbuná mḅe ayi nọ n'ọnwu site na ndahie nile ayi, Ọ mere ka ayi so Kraist dikọ ndu (ejiwo amara zọputa unu), me kwa ka ayi so Ya si n'ọnwu bilikọ, me kwa ka ayi so Ya nọdukọ n'ebe di n'elu-igwe, nime Kraist Jisus: ka Ọ we gosi ihe a n'oge nile gaje ibia, bú àkù nke amara-Ya di uku ri nne, n'obi-ọma n'ebe ayi nọ nime Kraist Jisus. —Ndi Efesọs 2.4-7

Ma Chineke nke amara nile, Onye kpọbatara unu n'ebube ebighebi Ya nime Kraist . . . .

—1 Pita 5.10

Anēwere kwa amara-Ya nāgu ha na ndi ezi omume n'onyinye efu site na nḅaputa ahu nke di nime Kraist Jisus. —Ndi Rom 3.24

Ma mḇe oge ahu zuru, Chineke ziputara Ọkpara-Ya, Onye amuru site na nwayi, Onye amuru n'o-kpuru iwu, ka Ọ we ḇaputa ndi nọ n'okpuru iwu, ka ayi we nata ido-kaumu-ndikom ahu.

—Ndi Galetia 4.4, 5

Lenu aha ihu-n'anya nka bu nke Nna-ayi nyeworo ayi, ka ewe kpọ ayi umu Chineke . . . . —1 Jọn 3.1

Ndi nketa nke Chineke

Onye nēmeri gēketa ihe ndia; M'gābu-kwa-ra ya Chineke, ya o-nwe-ya gābu-kwa-ram nwa.

—Nkpughe 21.7

Ma n'ihi na unu bu umu-ndi-kom, Chineke ziputara Mọ nke Ọkpara-Ya ba nime obi-ayi, nēti nkpu, si, Aba, Nna. Ya mere i bugh orù ọzọ, kama i bu nwa-nwo-ke; ma ọ buru na i bu nwa-nwoke, i bu kwa onye-nketa site n'aka Chineke. —Ndi Galetia 4.6, 7

Ma ọ buru na ayi bu umu, ayi bu kwa ndi-nketa; ndi-nketa nke Chineke, na ndi ha na Kraist nēke-kọ; ma ọ buru na ọ bu ezie na ayi na Ya nāhukọ ahuhu, ka ewe nye-kọ kwa ayi na Ya otuto.

—Ndi Rom 8.17

Ma ọ buru na unu onwe-unu bu ihe di n'aru nke Kraist, ya mere unu bu nkpuru Abraham, buru ndi-nketa dika nkwa si di.

—Ndi Galetia 3.29

# NKPEBI CHINEKE BU NA UMU YA G'ABU OYIYI YA

Ma ayi matara na ihe nile nāluko olu iwetara ndi huru Chineke n'anya ezi ihe, bú ndi akpọrọ dika ihe O nēzube si di. N'ihi na ndi O buru uzọ mara, O bu-kwa-ra uzọ ka ha àkà, ka ha na onyinyo nke Ọkpara-Ya nwekọ otù udi, ka Ọ we buru onye ebu uzọ mu n'etiti ọtutu umu-nna. —Ndi Rom 8.28, 29

Chineke we si, Ka ayi kpua madu n'onyinyo-ayi, dika oyiyi-ayi si di . . . . —Jenesis 1.26

Je ozi dika Kraist

. . . Mu onwem di n'etiti unu ka onye nēje ozi. —Luk 22.27

N'agbaghara nmehie

Ma Jisus siri, Nna, ḅaghara ha; n'ihi na ha amatagh ihe ha nëme. . . . —Luk 23.34

Di umeala n'obi, dikwa nwayọ

Ma mu onwem Pọl ji idi-nwayọ na obi-ọma nke Kraist nārịọ unu . . . . —2 Ndi Kọrint 10.1

N'eje ije n'ime ihun'anya nke Kraist

Dika Nnam hurum n'anya, Mu onwem hu-kwa-ra unu n'anya: nọgidenu nime ihu-n'anyam. —Jọn 15.9

Gbasa ozi-ọma rue uwa nile

Ya mere Jisus siri ha ọzọ, Udo diri unu: dika Nnam ziteworom, otú a ka Mu onwem nēziga kwa unu. —Jọn 20. 21

Ka unu we nējeghari dika ọ kwesiri Chineke, Onye nākpọbata unu n'ala-eze na ebube nke aka Ya.
—1 Ndi Tesalọnaika 2.12

Onye ọ bula nke nāga n'iru, nke nādigh-anọgide kwa nime ozizí nke Kraist-ayi, ọ nwegh Chineke: onye nānọgide nime ozizí ahu, onye ahu nwere Nna ahu, Ya na Ọkpara-Ya. —2 Jọn 9

Kraist g'enwe nwunye ọhu nke n'apugh ime ka ọrapu Ya

Ngọzi nādiri nwoke onye nātachi obi n'ọnwunwa: n'ihi na mḅe anwaputaworo ya, ọ gānata okpu-eze ahu, bú ndu, nke Onyenwe-ayi kwere nkwa inye ndi huru Ya n'anya. —Jemes 1.12

Onye ọ bula nke nābiakutem, nke nānu kwa okwum nile, nke nēme kwa ha, M'gēgosi unu onye o yiri: o yiri madu nke nēwu ulo, onye gwuru gwumi kwa, we tọ ntọala n'elu oké nkume: mḅe miri juru, osimiri we ṭikwasi ulo ahu, ma ọ nwegh ike ime ya ka ọ me nkpatu: n'ihi na ewuru ya nke-ọma.
—Luk 6.47, 48

Na nwunye ọhu n'achọsi iru Ya ike

Nēche olile-anya ahu di ngọzi na ngosi nke ebube nke Chineke uku ahu, Nke bu kwa Onye-nzọputaayi, Jisus Kraist. —Taitọs 2.13

Ka okwukwe-unu we ghara idi n'amam-ihe madu, kama n'ike nke Chineke. —1 Ndi Kọrint 2.5

N'ihi na ọ bu amara ka ejiworo zọputa unu, site n'okwukwe; nka esitegh kwa n'onweunu: ọ bu o-nyinye Chineke: o sitegh n'ọlu, ka onye ọ bula we ghara inya isi. N'ihi na ayi bu ihe Ọ mere, ndi ekère èkè nime Kraist Jisus ilu ezi ọlu, nke Chineke buru uzọ dozie ka ayi we jegharia nime ha.
—Ndi Efesọs 2.8-10

Ma otuto diri Onye ahu Onye puru imebiga ókè nke-uku ri nne kari ihe nile nke ayi nāriọ ma-ọbu nke ayi nātughari uche, dika ike nke nālusi ike nime ayi si di, otuto diri Ya nime nzukọ-Ya na nime Kraist Jisus rue ọbọ nile nke mbe nile ebigh-ebi. Amen.
—Ndi Efesọs 3.20, 21

Ageme ka ayi zue oke, mezukwa emezu n'ime Ya

Rue mbe ayi nile gēru idi-n'otù nke okwukwe na nke nmazu nke Ọkpara Chineke, ru ibu nwoke to-zuru okè, ru ọtùtù nke ogologo nke ozuzù nke Kraist.
—Ndi Efesọs 4.13

N'ihi na nime Ya ka ozuzù nile nke ihe Chineke bu nēbigide nēwe-re aru madu, nime Ya ka emezu-wo-kwa-ra unu emezu, Onye bu isi nke ibu-onye-isi na ichi-isi nile ọ bula. —Ndi Kọlọsi 2.9, 10

# ABUM OTU N'IME ARU NWUNYE ỌHU NKE EZE AHU

Gini mere ka Onye-ahu nke ndi mọzi n'agutagh ọnu n'akpọ isi-ala nye, ji awukwasi ihun'anya Ya n'aru madu ewedara n'ala na onye nnupu isi?

Ma ọzọ kwa, mḅe ọ bula Ọ gākpọbataworí Ọkpara ahu n'eluuwa ebe madu bi, Ọ si, Ka ndi-mọzi nile nke Chineke kpọ kwa isi ala nye Ya. —Ndi-Hibru 1.6

Onye nwere Ọkpara ahu nwere ndu ahu; onye nēnwegh Ọkpara Chineke enwegh ndu ahu. —1 Jọn 5.12

N'ihi na ọbuná dika ayi nwere ọtutu ihe n'otù aru, ma ihe ahu nile di n'aru enwegh otù ọlu: otú a ayi, ndi di ọtutu, bu otù aru nime Kraist, buru kwa n'otù n'otù ihe di n'aru ibe-ayi. —Ndi Rom 12.4, 5

. . . esite-kwa-ra n'aru Kraist me ka unu onwe-unu nwua n'ebe iwu di; ka unu we lakuru di di iche, bú Onye emere ka O si na ndi nwuru anwu bilie, ka ayi we miara Chineke nkpuru. —Ndi Rom 7.4

. . . Ihe nātọm utọ di kwa n'ebe umu madu nọ. —Ilu 8.31

Onye ahu Nke nāzọdogh Ọkpara nke aka Ya, kama Ọ rara Ya nye n'ihi ayi nile, Ò gēsi aṅa ghara inye kwa ayi ihe nile n'amara ebe Ọ weresiri Onye ahu nye ayi? —Ndi Rom 8.32

**Ya n nwunye analu ọhu g'ekerita oche-eze Ya**

Onye nēmeri emeri, ya ka M'gēkweye ka o som nọdu ala n'oche-ezem, dika Mu onwem meri-kwa-ra, we so Nnam nọdu ala n'oche-eze-Ya. —Nkpughe 3.21

**Obodo na nwunye ọhu nke Eze ahu**

Ma otú ọ di uḅu a ha nāḅaso ala ka nma, nke ahu bu, ala di n'elu-igwe: n'ihi nka ihere ha adigh-eme Chineke, ka akpọ Ya Chineke-ha: n'ihi na O doziworo ha otù obodo. —Ndi-Hibru 11.16

Onye nēmeri emeri, ya ka M'gēme ka ọ buru ide n'ulo nsọ nke Chinekem, ọ gagh-esi kwa n'ebe ahu pua ọzọ ma-ọli: M'gēdekwasi kwa ya aha Chinekem, na aha obodo Chinekem, bú Jerusalem ọhu, nke si n'elu-igwe ridata site n'ebe Chinekem nọ. . . . —Nkpughe 3.12

M'we hu obodo nsọ ahu, bú Jerusalem ọhu, ka o nēsi n'eluigwe ridata, site n'ebe Chineke nọ, edoziwo ya dika nwayi anālu ọhu nke achọworo ya nma nye di-ya. —Nkpughe 21.2

Ngọzi nādiri ndi nāsa uwe-nwuda-ha, ka ha we nwe ike n'ebe osisi nke ndu ahu di, si kwa n'ọnu-uzọ-ama ahu ba nime obodo ahu. —Nkpughe 22.14

Ya mere, ọ buru na unu abugh ndi kwesiri ka atukwasi unu obi n'àkù ajọ omume, ònye gēnye ezi àkù n'aka-unu na ntukwasi-obi idebe? —Luk 16.11

N'ihi na unu mara amara nke Onye-nwe-ayi Jisus Kraist, na, ọ bu ezie na Ọ bu ọgaranya, ma Ọ ghọrọ ọbeye n'ihi unu, ka unu o-nwe-unu we were ọbeye-Ya ghọ ndi-ọgaranya. —2 Ndi Kọrint 8.9

Nurunu, umu-nnam ndi m'huru n'anya; Chineke arọputagh ndi bu ọbeye n'ihe nke uwa ka ha buru ndi-ọgaranya n'okwukwe, buru kwa ndi-nketa nke ala-eze ahu nke Ọ kwere nkwa inye ndi huru Ya n'anya? —Jemes 2.5

Ihe-egwu nke di n'ime aku nke uwa

Nēnye ndi bu ọgaranya n'oge di ubu a iwu, ka ha ghara itukwasi ucheha n'ihe di elu, ghara kwa itukwasi obi n'ihe ahu anējigh aka, bú àkù, kama ka ha tukwasi obi na Chineke, Onye nēwere àkù-Ya nye ayi ihe nile ka ha buru ihe gātọ ayi utọ; ka ha nēme ezi ihe, ka ha buru ọgaranya n'ọlu ọma nile, ka ha buru ndi kwadebeworo ime ka ndi ọzọ keta ihe ha nwere, ka ha buru ndi kwere ka ndi ọzọ so ha nwekọ ihe; ka ha kpadoro o-nwe-ha ntọ-ala ọma nye oge gaje ibia, ka ha we jide ndu ahu nke bu ndu n'ezie. —1 Timọti 6.17-19

Onye gēme aru nke ọnọdu-ayi di ala ka ọ nwe oyiyi ọhu, ka ya na aru nke ebube-Ya we nwekọ otù udi, dika ilusi-ọlu-ike ahu si di nke O ji pu ọbuná ido ihe nile n'okpuru Onwe-ya. —Ndi Filipai 3.21

Nēkele Nna-ayi, Onye mere ka ayi rue iketa òkè-ayi n'ihe-nketa ndi nsọ n'ihè; Onye dọputara ayi n'ike nke ọchichiri, we webiga ayi n'ala-eze nke Ọkpara nke ihu-n'anya-Ya. —Ndi Kọlọsi 1.12, 13

Ubu a ararakwam unu nye n'aka Chineke na aka okwu amara-Ya, nke puru iwuli unu elu dika ulo, na inye unu ihe-nketa ahu n'etiti ndi nile edoworo nsọ.

—Ọlu ndi-ozi 20.32

Mbe ọ bula agēme ka Kraist-ayi puta ìhè, Onye bu ndu-ayi, mbe ahu ka agēme kwa ka unu onwe-unu so Ya puta ìhè n'ebube.

—Ndi Kọlọsi 3.4

Bú, na ndi mba ọzọ bu ndi soro ayi ketakọ ihe, na idikọ n'otù aru, na ikèkọ nkwa ahu nime Kraist Jisus site n'ozi ọma. Ọ bu mu onwem, bú onye di ntà kari onye dikarisiri ntà n'etiti ndi nsọ nile, ka enyere amara nka, izisara ndi mba ọzọ ozi ọma nke àkù nke Kraist nke anēnwegh ike ituputa ya.

—Ndi Efesọs 3.6 na 8

Ka obi tọ ndi nile nke nāchọ Gi utọ, ka ha ṅuri kwa ọṅu nime Gi: Ka ndi nāhu nzọputa-Gi n'anya nāsi mḅe nile, ka Jehova di uku.
—Abū ọma 40.16

Ṅurianu ọṅu na Jehova, tegharikwa-nu egwú ọṅù, unu ndi ezi omume: Ti-kwa-nu nkpu ọṅù, unu nile ndi ziri ezi n'obi.
—Abū ọma 32.11

Nāṅurinu ọṅu n'Onye-nwe-ayi mḅe nile: m'gāsi ọzọ, Nāṅurinu ọṅu. —Ndi Filipai 4.4

Ma ka ndi nile ndi nāḅabà nime Gi ṅuria, ka ha tie nkpu ọṅù rue mḅe ebigh-ebi, n'ihi na I nēkpuchi ha ṅdò: Ọzọ, ka obi nke ndi nāhu aha-Gi n'anya tọ ha utọ nime Gi.
—Abū ọma 5.11

N'ihi na nkpaḅu-ayi nke di nfé, nke di na nwa oge a, nāluputara ayi ebube nkeuku ri nne kachasi ihe nile, bú ebube nke di arọ di kwa ebigh-ebi. —2 Ndi Kọrint 4.17

Tegharia egwú ọṅù nke-uku, gi ada Zaion; tie nkpu, gi ada Jerusalem: le, eze-gi nābiakute gi: onye ezi-omume na onye nwere nzọputa ka ọ bu . . . . —Zekaraia 9.9

Otú ọ di, unu aṅurila ọṅu na nka, na anēdo ndi ajọ mọ n'okpuru unu; ma ṅurianu ọṅu na edewo aha-unu n'akwukwọ n'elu-igwe.
—Luk 10.20

Ma onye nēmehie megidem nēme nkpuru-obi-ya ihe-ike: Ndi nile nke nākpọm asì nāhu ọnwu n'anya.
—Ilu 8.36

Lezienu anya ka unu ghara iju Onye ahu nēkwu okwu. N'ihi na asi na ndi ahu aḅanarigh Ya, mḅe ha juru Onye ahu Nke nādu ha ọdú n'elu uwa, ayi onwe-ayi agagh-aḅanari Ya kari nkeuku, bú ndi nāḅakuta Onye ahu azu Nke nādu ọdú site n'elu-igwe.
—Ndi-Hibru 12.25

Jisienu ike isi n'ọnu-uzọ di warara ba: n'ihi na ọtutu madu, ka M'si unu, gāchọ ibà nime ya, ma ha agagh-enwe ike. Mḅe Nnanwe-ulo gēbiliwori, mechi kwa uzọ-Ya, unu we malite iguzo n'èzí, na iku aka n'ọnu-uzọ ahu, si, Onye-nwe-ayi, meghere ayi uzọ; ma Ọ gāza, si unu, Amataghm unu, ebe unu si bia.
—Luk 13.24, 25

Ebere ajuru aju nwere ike itughari ghọ iwe

N'aghughọ nile kwa nke ajọ omume n'ebe ndi nāla n'iyì nọ; n'ihi na ha anaragh ihu-n'anya nke ezi-okwu nkeọma, ka ewe zọputa ha. N'ihi nka Chineke nēzite-kwa-ra ha ilusi-ọlu-ike nke njehie, ka ha kwere ugha ahu: ka ewe kpe ha nile ikpé, bú ndi nēkwegh ezi-okwu, kama ajọ omume diri ha ezi nma.
—2 Ndi Tesalọnaika 2.10-12

Onye juputara na nmehie, onye amara ikpe

Ekpegh onye kwere na Ya ikpé: ekpewo onye nēkwegh na Ya ikpé ubu a, n'ihi na ọ kwegh n'aha nke Ọkpara Chineke muru náni Ya.
—Jọn 3.18

N'ihi na asi na ayi were ọchichọ-obi nānọ na nmehie mḅe ayi nataworo nmazu nke ezi-okwu, àjà agāchu bayere nmehie di iche iche afọdugh ọzọ, kama nke fọduru bu oké olile-anya di egwu nke ikpé, ya na ọku nēre ike ike . . . .
—Ndi-Hibru 10.26, 27

Eji okwu ahu kpem ikpe

Onye nājum, nke nādigh-anara kwa okwum, ọ nwere onye nēkpe ya ikpé: okwu nke M'kwuru, okwu ahu gēkpe ya ikpé n'ubọchi ikpe-azu.
—Jọn 12.48

Ahurum n'anya n'achọta kwam

Nime nka ka emere ka ihu-n'anya Chineke puta ìhè nime ayi, na Chineke ewerewo Ọkpara Ọ muru náni Ya zite n'uwa, ka ayi we di ndu site n'aka-Ya. —1 Jọn 4.9

Mọ Nsọ na nwayi ahu anālu ọhu nāsi kwa, Bia. Onye nānu, ya si kwa, Bia. Onye akpiri nākpọ kwa nku, ya bia: onye nāchọ, ya nara miri nke ndu ahu n'efù.
—Nkpughe 22.17

Ọbu nzuzu isoro ekwensu ta ahuhu ebigh-ebi na ọku-mọ, ebe ikwesiri inwe obi-utọ nke ọnu n'apugh ikọ n'ime Kraist, n'ekere oke n'oche-eze nke Mba nile rue ebigh-ebi!

Onye-nzuzu asiwo n'obi-ya, Ọ digh Chineke ọ bula di. . . .
—Abū ọma 53.1

Ma Onye-nwe-ayi siri ya, Uḅu a ka unu onwe-unu, bú ndi-Farisi, nēme ka azú iko na afere di ọcha; ma ime-unu juputara n'ipunaramadu-ihe na ajọ ihe. Unu ndi nēnwegh uche, Onye ahu Nke mere azú iko, ọ̀ bugh Ya me-kwa-ra ime-ya?
—Luk 11.39, 40

Ma onye ọ bula nke nānu okwum ndia, ma ọ digh-eme ha, agēji ya tuyere nwoke nke bu onye-nzuzu, onye wuru ulo-ya n'elu ájá: miri we zo, osimiri ru kwa, ifufe fe kwa, we tikwasi ulo ahu; ọ we da . . . .
— Matiu 7.26, 27

N'ihi nka ala-mọ emewo ka ọchichọ-nkpuru-obi-ya sa mbara, ọ saghebigawo kwa ọnu-ya ókè: imanma Jerusalem, na ìgwè-ya, na nkpọtu-ya, na onye nāṅuri ọṅuagha n'etiti ya, gārida kwa nime ya.
—Aisaia 5.14

Dika ọkwa nke nēkpokọba umu nke ọ nāmugh, otú a ka onye nākpa àkù, ma ọ kpagh ya n'ikpé ziri ezi, si di; n'etiti ubọchi nduya ọ gārapu ya, n'ikpe-azu-ya ọ we buru onye-nzuzu.
—Jeremaia 17.11

Ebe madu nile g'ala, bu ndi juru Eze ebube ahu

Ma ọ buru na ọ nēweputa ogwu na uke, ọ bu ihe ajuru aju, di kwa ọbubuọnu nso; nke ọgwugwu-ya bu ire ya ọku. —Ndi-Hibru 6.8

Nwa nke madu gēzipu ndi-mọ-ozi-Ya, ha gāchikọputa n'ala-eze-Ya ihe nile nēme ka ama n'ọnyà, na ndi nēme ihe nēmebi iwu, ha gātubà kwa ha n'oké ọku ahu: n'ebe ahu ka ikwa-ákwá na ita-ike-kereezé ahu gādi. —Matiu 13.41-42

Anwuru-ọku nke nmekpa-aru-ha nārigo rue mbe nile ebigh-ebi; ha adigh-ezu kwa ike ehihie na abali, bú ndi nākpọ isi ala nye anu-ọhia ahu na ihe-oyiyi-ya, ma ọ buru kwa na onye ọ bula anata akàrà nke aha-ya. —Nkpughe 14.11

. . . ha bu ndi-iro obe nke Kraist: ndi ọgwugwu-ha bu ila-n'iyì . . . . —Ndi Filipai 3.18, 19

Ọna agusi Chineke ike iru ọru ebube k'owe gbochie ayi iga n'ọku-mọ, dika iluso ọku-mọ ọgu n'ihi ayi, merie ọnwu ebigh-ebi, we bilie ọzọ, k'ayi we chọta nmeri a na ndu n'ime Ya. Ihe ebube ọzọ bu inwogha onye nmehie sita na nnupu isi ba n'inwe mkpuru obi ọhu nke juputara n'ihu-n'anya n'ime Kraist.

M'we hu mọ-ozi ka o nēsi n'elu-igwe ridata, nēji nkpisi-ugodi nke abyss ahu n'aka-ya, ya na oké nkpọrọ. Ọ we jide dragon ahu, bú agwọ ochie ahu, onye bu Ekwensu na Setan, ọ we ke ya aḅu nnù arọ abua na ọgu iri, we tubà ya nime abyss ahu, mechie ya, kà kwa ya akàrà n'elu ya, ka ọ we ghara iduhie mba nile ọzọ, rue mḅe nnù arọ abua na ọgu iri ahu gāgwusi . . . . —Nkpughe 20.1-3

Ma mḅe nnù arọ abua na ọgu iri ahu gāgwusi, agātọpu Setan n'ulo-nkpọrọ-ya, ọ gāputa kwa iduhie mba nile ndi di na nkuku anọ nke uwa, bú Gog na Megog, ime ka ha zukọ ibu agha ahu: ndi ọnu-ọgugu-ha ra ka ájá nke oké osimiri. Ekwensu ahu nke nēduhie ha, atubàra ya nime ọdọ ọku na brimstone, ebe anu-ọhia ahu na onye-amuma ugha ahu nọ kwa; agēmekpa kwa ha aru ehihie na abali rue mḅe nile ebigh-ebi. —Nkpughe 20.7 na 10

Nmeri ebigh-ebi megide Ekwensu

Ya mere ebe umu-ntakiri ahu bu ndi nēnwekọ anu-aru na ọbara, Ya onwe-ya n'otù uzọ ahu keta-kwara ihe ndia; ka Ọ we site n'ọnwu me ka onye ahu ghara idi irè, bú onye nwere ike nke ọnwu, ya bu ekwensu. —Ndi-Hibru 2.14

Ọ digh onye ọ bula puru ibu orù nke nna abua: n'ihi na ọ gākpọ otù onye nime ha asì, hu ibe-ya n'anya; ma ọ bugh otú a o gējide otù, lelìa ibe-ya anya. Unu apugh ibu orù Chineke na àkù. —Matiu 6.24

Igesoro ekewensu la n'ulọ nkpọrọ, ka iga eso Eze nke ndi eze keta ocheeze ebube Ya rue mgbe ebigh ebi?

Isaghe anya-ha, ka ha we si n'Ọchichiri chigharia ba n'ìhè, si kwa n'ike Setan chigharikute Chineke, ka ha we nara nḅaghara nmehie nile na ihe-nketa n'etiti ndi edoworo nsọ site n'ikwere na Mu. —Ọlu ndi-ozi 26.18

Ma ndi nātu ujọ, na ndi nēkwegh ekwe, na ndi-árú, na ndi-oḅu-madu, na ndi nākwa iko, na ndi nāgwọ ńsí, na ndi nēkpere arusi, na ndi-ugha nile, òkè-ha gābu nime ọdọ ahu nke ji ọku na brimstone nēre; nke bu ọnwu nke-abua ahu. —Nkpughe 21.8

Jisus zara ha, si, N'ezie, n'ezie, asim unu, Onye ọ bula nke nēmehie bu orù nmehie. Ma orù adigh-anọgide n'ulo rue mḅe ebigh-ebi: nwa nānọgide ebigh-ebi. Ya mere ọ buru na Ọkpara gēme ka unu pua n'orù, unu gābu ndi puworo n'orù n'ezie. —Jọn 8.34-36

Jisus zara, si ya, Ọ buru na i matara onyinye Chineke, na Onye Ọ bu Nke nāsi gi, Nyem miri ka M'ṅua; gi onwe-gi gārịọ Ya-ri, Ọ gēnye kwa gi miri di ndu.

—Jọn 4.10

. . . kama miri ahu nke Mu onwem gēnye ya gāghọ nime ya isiiyi miri nāsuputa ri nne rue ndu ebigh-ebi. —Jọn 4.14

Ma n'ubọchi ikpe-azu, bú oké ubọchi nke ememe ahu, Jisus guzoro, we tie nkpu, si, Ọ buru na akpiri kpọrọ madu ọ bula nku, ya biakutem, ṅua miri. —Jọn 7.37

N'ihi na Nwa-aturu ahu Nke nọ n'etiti oche-eze ahu gāzù ha dika aturu, O gēduru kwa ha ga n'isiiyi nke miri nke ndu: Chineke gēhichapu kwa anyamiri nile ọ bula n'anya-ha. —Nkpughe 7.17

Ọ we gosim osimiri nke miri nke ndu, nēnwu dika crystal, ka o nēsi n'oche-eze Chineke na nke Nwa-aturu ahu puta, n'etiti amá-ya. N'akuku a na n'akuku nke-ọzọ nke osimiri ahu ka osisi nke ndu di kwa, nāmi uzọ nkpuru iri na abua, nēnye nkpuru-ya n'ọnwa n'ọnwa: akwukwọ osisi ahu bu ihe ime ka aru di mba nile ike. Ọbubu-ọnu ọ bula agagh-adi ọzọ: oche-eze Chineke na nke Nwa-aturu ahu gādi kwa nime ya: ndi-orù-Ya gēfè kwa Ya òfùfè. —Nkpughe 22.1-3

Ma burunu uzọ chọ ala-eze-Ya, na ezi omume-Ya; agātukwasi-kwa-ra unu ihe ndia nile.
—Matiu 6.33

Ma asi na i . . . chọ Jehova, bú Chineke-gi, i gāchọta kwa Ya, mḅe i were obi-gi nile na nkpuru-obi-gi nile jua ase Ya. —Deuteronomi 4.29

Mu onwem nāhu ndi ahu n'anya, bú ndi nāhum n'anya; ọ bu kwa ndi nāchọsim ike gāchọtam.
—Ilu 8.17

Mu onwem si kwa unu, Riọnu, agēnye kwa unu; chọnu, unu gāchọta kwa; kuanu, agēmeghe-kwa-ra unu. —Luk 11.9

Gharanu onwe-unu nkpuru n'ezi omume, wenu ihe-ubi dika ebere si di; lucharanu onwe-unu ubi: n'ihi na ọ bu mḅe ichọ Jehova, rue mḅe Ọ gābia, zokwasi unu ezi omume dika miri. —Hosea 10.12

Chọnu Jehova mḅe anāchọta Ya, kpọkuenu Ya mḅe Ọ nọ nso.
—Aisaia 55.6

M'gēji obim nile kele Gi, Onye-nwe-ayi, Chineke; M'gāsọpuru kwa aha-Gi rue mḅe ebigh-ebi.
—Abū ọma 86.12

Ma asi na okwukwe adigh ọ bu ihe anāpugh ime, bú ime ihe gātọ Chineke ezi utọ: n'ihi na onye nābiakute Chineke aghagh ikwe na Ọ di, na O nēgosi kwa Onwe-ya Onye nēnyeghachi ndi nāchọ Ya ugwọ-ọlu. —Ndi-Hibru 11.6

# NRI-ANYASI NKE ỌLULU NWUNYE ỌHU—CHINEKE ENWETAWO NWUNYE ỌHU!

. . . Haleluya: n'ihi na Onye-nwe-ayi Chineke-ayi, Onye puru ime ihe nile, nābu eze. Ka ayi ṅuria ọṅu, ka obi nātọ kwa ayi utọ nke-uku, ka ayi were kwa otuto nile nye Ya: n'ihi na ọlulu-nwunye nke Nwa-aturu ahu abiawo, nwunye-Ya edoziwo kwa onweya. Ewe kweyere ya ka o ḅokwasi onwe-ya ezi ákwà ọcha nēnwu enwu, nke di kwa ọcha: n'ihi na ezi ákwà ọcha ahu bu ezi omume nile nke ndi nsọ. Ọ we sim, De akwukwọ, Ngọzi nādiri ndi akpọworo ibia na nri-anyasi ọlulu-nwunye nke Nwa-aturu ahu. . . . —Nkpughe 19.6-9

. . . Biari, M'gēgosi gi nwayi ahu anālu ọhu, bú nwunye Nwa-aturu ahu. Ọ we bupum nime Mọ Nsọ ga rue oké ugwu di elu, we gosim obodo nsọ ahu, bú Jerusalem, ka o nēsi n'elu-igwe ridata, site n'ebe Chineke nọ, nēnwe ebube Chineke . . . . Ọ digh kwa ulo nsọ ọ bula m'huru nime ya: n'ihi na Onye-nwe-ayi Chineke, Onye puru ime ihe nile, Ya na Nwa-aturu ahu, bu ulo nsọ ya. Anyanwu ma-ọbu ọnwa adigh kwa obodo ahu nkpà, ka ha mukwasi ya: n'ihi na ebube Chineke nyere ya ìhè, oriọna-ya bu kwa Nwa-aturu ahu. Mba nile gēwere kwa ìhè-ya jegharia . . . .
—Nkpughe 21.9-11 na 22-24

Onye n'erubere Ya isi

. . . chenu onwe-unu n'iru Chineke, dika ndi sitere na ndi nwuru anwu di ndu . . . . —Ndi Rom 6.13

Onye huru Onye n'alu nwunye ọhu n'anya

Ka amara diyere ndi nile huru Onye-nwe-ayi Jisus Kraist n'anya n'emebigh-emebi. —Ndi Efesọs 6.24

Onye ya na Chineke bu otu

N'ihi na ayi bu ihe di n'aru-Ya. —Ndi Efesọs 5.30

. . . ka unu we site n'ihe ndia ghọ ndi nēnwekọ ihe O ji buru Chineke . . . . —2 Pita 1.4

Onye emejuru n'ike Chineke

Onye emeworo Ya ka Ọ buru onye-nchu-aja, . . . kama dika ike nke ndu nādighagwu agwu si di. —Ndi-Hibru 7.16

Onye emejuru n'ihun'anya Chineke

Ma onye ọ bula nke nēdebe okwu-Ya, ọ bu nime onye ahu ka emeworo ka ihun'anya Chineke zue okè n'ezie. . . . —1 Jọn 2.5

Onye n'enwegh ntupọ

I mazuru nma, eyìm; Ọ digh kwa ntupọ di n'aru-gi. —Abū nke abù 4.7

N'ihi nka, ndi m'huru n'anya, ebe unu nēle anya ihe ndia, nānunu ọku n'obi ka ewe hu unu n'udo, ndi nēnwegh ntupọ, ndi anāpugh kwa ita uta n'iru Ya. —2 Pita 3.14

## 46 EZE AHU N'EMEBI NNUPU ISI NKE UWA NILE

Ndia gēbu agha megide Nwa-aturu ahu, Nwa-aturu ahu gēmeri kwa ha, n'ihi na Ọ bu Onye-nwenu kachasi ndi-nwenu nile, na Eze kachasi ndi-eze nile; ndi soro Ya gēmeri kwa, bú ndi akpọworo, ndi arọputawo-kwa-ra, ndi kwesi-kwara ntukwasi-obi. —Nkpughe 17.14

Otù mọ-ozi nke di ike we būru nkume, dika oké nkume-igwe-nri, we tubà ya nime oké osimiri, si, Otú a ka agātuda Babilon, bú obodo uku ahu, n'oké ọdida, agaghahu kwa ya ọzọ ma-ọli.

—Nkpughe 18.21

Mbe ahu ka agēkpughe kwa onye ahu nēmebi iwu, onye Onyenwe-ayi Jisus gēwere iku-ume nke si n'ọnu-Ya puta bue, were kwa ngosi nke ọbibia-Ya me ka ọ ghara idi irè. —2 Tesalọnaika 2.8

Nka gābu kwa iheotiti nke Jehova gēji ti ndi nile di iche iche ndi busoworo Jerusalem agha: anuaru-ha nile n'otù n'otù gātasi ata mbe ha onwe-ha nēguzo n'ukwuha, anya-ha gātasi kwa ata n'oghere-ha, ire-ha gātasi kwa ata n'ọnu-ha. —Zekaraia 14.12

Emesia ọgwugwu ihe nile gābia, mbe ọ bula Ọ gārara ala-eze-Ya nye n'aka Chineke, Onye bu kwa Nna; mbe ọ bula Ọ gēmewori ka ọbubu-isi nile na ichi-isi nile na ike nile ghara idi irè.

—1 Ndi Kọrint 15.24

# ỌCHICHI EZUMIKE OBI-UTỌ NKE NNU AFỌ ABUA NA ỌGU IRI N'ELU UWA, NKE DI NA NWUNYE ANALU ỌHU

**Ka ala-eze-Gi bia. Ka eme ihe I nāchọ, dika esi eme ya n'elu-igwe, ka eme kwa otú ahu n'uwa.**
**—Matiu 6.10**

**. . . n'ihi na eḅuru Gi eḅu, I were kwa ọbara-Gi ḅatara Chineke madu . . . I we me ha ka ha buru ala-eze na ndi-nchu-aja nye Chineke-ayi; ha bu kwa eze n'elu uwa.**
**—Nkpughe 5.9, 10**

**. . . m'we hu nkpuruobi nke ndi ebipururi isi n'ihi àmà Jisus, na n'ihi okwu Chineke, ndi ahu nọ kwa, bú ndi nākpọgh isi ala nye anu-ọhia ahu, ma-ọbu ihe-oyiyi-ya, ndi nānatagh kwa akàrà-ya n'egedege-iru-ha na n'akaha; ha we di ndu, so kwa Kraist buru eze nnù arọ abua na ọgu iri. —Nkpughe 20.4**

**. . . Ala-eze nke uwa aghọwo ala-eze nke Onye-nwe-ayi, na nke Kraist-Ya: Ọ gābu kwa eze rue mḅe nile ebigh-ebi. —Nkpughe 11.15**

**Ngọzi nādiri ya, ọ di kwa nsọ, bú onye nwere òkè nime nbilite-n'ọnwu mbu ahu: ọnwu nke-abua ahu enwegh ike n'ebe ndia nọ; kama ha gābu ndi-nchu-aja nke Chineke na nke Kraist, ha gēso kwa Ya buru eze nnù arọ abua na ọgu iri ahu.**
**—Nkpughe 20.6**

#  ISORO ONYE N'ALU NWUNYE ỌHU NWEKỌ NDU N'ADIGIDE ADIGIDE

Mu na Chineke n'eje ije
ebigh-ebi. Ewo! Ọñu.

M'gēme Gi ka I di elu, Chinekem, bú Eze; m'gāgọzi kwa aha-Gi rue mḅe nile ebigh-ebi.

—Abù ọma 145.1

Nna, ihe I nyeworom, anamachọ ka, ebe Mu onwem nọ, ka Mu na ndi ahu nọ kwa; ka ha we hu otutom, nke I nyeworom . . . .

—Jọn 17.24

. . . ndi nwuru nime Kraist gēbu kwa uzọ si n'ọnwu bilie: mḅe ahu ayi onwe-ayi, bú ndi nọ na ndu, ndi anārapu, ayi na ha ka agēwelikọ n'igwe-oji, izute Onye-nwe-ayi nime mbara-elu-igwe: otú a ka ayi na Onye-nwe-ayi gānọ kwa mḅe nile.

—1 Ndi Tesalọnaika 4.16, 17

. . . .Le, ulo-ikwū nke Chineke diyere madu, O gēbiye-kwa-ra ha, ha onwe-ha gābu kwa ndi nke Ya, Chineke Onwe-ya gānọye-kwa-ra ha, buru kwa Chineke-ha: O gēhichapu kwa anya-miri nile ọ bula n'anya-ha; ọnwu agagh-adi kwa ọzọ; iru-újú ma-ọbu ikwa-ákwá ma-ọbu aru-ufu agagh-adi kwa ọzọ: ihe mbu nile agabigawo.

—Nkpughe 21.3, 4

. . . n'ihi na Onye-nwe-ayi Chineke gēnye ha ìhè: ha ganābu kwa eze rue mḅe nile ebigh-ebi.

—Nkpughe 22.5

## KRAIST N'ASI:

"Onye nēmeri emeri, ya ka M'gēkweye ka o som nọdu ala n'oche-ezem, dika Mu onwem meri-kwa-ra, we so Nnam nọdu ala n'oche-eze-Ya."
—Nkpughe 3.21

Ma ekele diri Chineke, Onye nēnye ayi nmeri site n'aka Onye-nwe-ayi Jisus Kraist. Ya mere, umu-nnam m'huru n'anya, guzosienu ike, burunu ndi anāpugh iropu eropu, ndi nālubiga ọlu Onye-nwe-ayi ókè mḇe nile, ebe unu matara na ndọḇu unu nādọḇu onwe-unu n'ọlu abugh ihe-efu nime Onye-nwe-ayi.
—1 Ndi Kọrint 15:57, 58

Published in numerous languages by World Missionary Press as God supplies funds in answer to prayer. If you would like more copies for careful distribution, write in English to:

**World Missionary Press, Inc.**
**P.O. Box 120**
**New Paris, Indiana 46553-0120 USA**